# NWELIKỌ NKE NDỊNSỌ

**I Ndi Tesalọnaika 4:13-18; 5:1-24.**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 412**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWUIBUN'ISI: N'ihi na nka ka ayi nāgwa unu n'okwu Onye-nwe-ayi, na ayi onwe-ayi, bu ndi nọ na ndu, ndi anārapu rue ọbibia nke Onye-nwe-ayi, na ayi agagh-eburu ndi dara n'ura ọnwu uzọ ma-ọli" (I Ndi Tesalọnaika 4:15).**

**I. Nkasị obi Banyere Ndị Nwụrụanwụ**

1. Ndị nwụrụ nime Kraist gaebu ụzọ bilie, I Ndi Tesalọnaika 4:13-16; I Ndi Kọrint 15:23.
2. Ndịnsọ ndị nọ ndụ ka agaewelikọ ha na ha, I Ndi Tesalọnaika 4:17; I Ndi Kọrint 15:51, 52.
3. Ihe niile edere n'Akwụkwọ Nsọ enyere maka ịkasịrịta onweanyi obi, I Ndi Tesalọnaika 4:18; 5:11; I Ndi Kọrint 1:3,4.

**II. Ichenche maka Ọbị bị a Ya**

1. Ọ naabịa dịka Onyeori n'abalị, I Ndi Tesalọnaika 5:1-4; Matiu 24:42-51.
2. OnyeKraist aghaghị ịnọ na nche, I Ndi Tesalọnaika 5:5-10; Matiu 25:1-13.

**III. Ndụmọdụ Dị Icheiche nye NdiKraist**

1. Sọpụrụ ndịndú unu, I Ndi Tesalọnaika 5:12-15; Ndi Hibru 13:17.
2. Naekpenuekpere naekelekwanu ekele, I Ndi Tesalọnaika 5:16-20; Ndi Filipai 4:6.
3. Naakpọnụ ajọihe asị ma naejidesinu eziihe ike, I Ndi Tesalọnaika 5:21-24; Abù Ọma 34:14; Ndi Rom 12:9.

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

### Ihe-ukwu Abụa ahụ Gaeme

Aha-ihe ahụ amazuru, "ọbịbịa nke ugbo-abụa nke Kraist," na atụ aka banyere ihe ukwu abụa nke gaje ime. Nke mbụ bụ Nwelikọ nke Nzukọ ahụ, nke ọ bụ náanị ndi nọ ná njikere gaahụ Kraist n'oge ahụ; agaewelikọ ha izute Ya na mbaraigwe. Ihe nke abụa gaeme bụ Mkpughe nke Kraist, mgbe Ọ gaabịghachi Ya na ndịnsọ Ya iwukwasị alaeze Ya n'ụwa – nke otù Puku arọ. N'etiti Nwelikọ nke Nzukọ ahụ na Mkpughe nke Jisọs Kraist ka Oriri nke Ọlụlụnwunye nke Nwaatụrụ ahụ gaadị n'Eluigwe na Oké Mkpughe ahụ kwa n'eluụwa.

Nwelikọ nke Nzukọ ahụ bụ nchịkọpụta nke Nwunyeọhụ nke Kraist -- ndị ahụ bụ ndị jikeworo onweha – site n'ụwa nka ga n'ebe ahụ nke Jisọ kwadobewooro ha, ka ewee jikọta Ya na ha ọnụ ná Nrianyasị nke Ọlụlụnwunye nke Nwaatụrụ ahụ. Jisọs sịrị, "Anamaga idoziri unu ebe. Ọ buru kwa na Mu aga idoziri unu ebe, agajem ịbia ọzọ, M'gānara kwa unu nye Onwem; ka unu onweunu we nọ kwa ebe Mu onwem nọ" (Jọn 14:2,3).

### Anyi Ga-ebili

Ebe iliozu ka arapụworo naelekọtaghị ya anya nke ọma; akwụkwọndekọta aha nke ndị nwụrụanwụ ka ebibiworo; ndị buworo ụzọ gaa ka echezọworo; eleghịanya akpọwo ụfọdụ mmadụ ọkụ, wee fesasịa ha n'iberibe, maọbụ lie ha nime okéosimiri; ma ọ dịghị ihe ọ bụla gaegbochi ndị nwụrụanwụ nime Kraist ibilite mgbe Opi nke Chineke gaada. Iheọ̀mụ̀mụ̀ nke iheọmụma (Science) naagwa anyi naapụghị ibib ihe ọ bụla nke apụrụ iji mepụta ihe anaahụ anya nke pụkwara ịnọchi oghere ọ bụla (Matter) naarapụghị ọbụná otù ihe nke agaeji chọpụta na ihe ahụ dịrịị na mbụ. Ọ bụ ezie na arụ ndinsọ ndị a laghchiri n'uzuzu, otú ọ dị, ọ bụ kwa, site n'uzuzu ka nwa Chineke ọ bụla gaesi bilite n'arụ dị ebube nke mbilite-n'ọnwụ mgbe Onyenweanyi gaewere oké ịkpọ̀òkù si

n'Eluigwe rịdata, naewere olu nke isimmụọozi, were kwa Opi nke Chineke. Jisọs sịrị, "Oge hour nābia, mgbe ndi nile di n'ílì gānu olu-Ya, ha gāputa kwa" (Jọn 5:28,29).

Job kwuwapụtara Okwu ahụ n'ụzọ doroanya mgbe o tirimkpu sị "Ọ gādim nọ nma ma asi na ede okwum nile n'akwukwọ ugbu a! Ọ gādim nọ nma ma asi na akà ha n'akwụkwọ! Ma asi na eji pen ígwè na òpù ka ha n'oke nkume rue mgbe ebigh-ebi! Ma mu onwem amawo na Onye-ngbaputam di ndu, Na Ọ gēbili kwa ọtọ n'elu ájá n'ikpe-azụ: mgbe emebisi-kwa-ra akpukpọ-arum nka, ọ bu na m'gēsi n'anu-arum hu Chineke: Onye mu onwem gāhuru onwem, anyam abua gāhu kwa Ya, Ọ bugh kwa onye ala ọzọ: akurum abua agwusiwo nimem" (Job 19:23-27).

**Mbilite-n'ọnwụ Mbụ ahụ**

Ndị niile nwụrụ site n'oge nke Adam rue n'ọgwụgwụ oge ka agaeme ka ha si n'ọnwụ bilie, "Ma madu nile n'otù n'otù n'usoro nke aka ha: Kraist, dika nkpuru mbu; emesia ndi nke Kraist, n'ọbibia-Ya" ( I Ndi Kọrint 15:23). Mbilite-n'ọnwụ nke ndi eziomume nwụrụanwụ, nke amaara dịka "mbilite-n'ọnwụ mbu" ahụ dị n'usoro dị icheiche; nke bụ na, Kraist, dịka mkpụrụ mbụ buru ụzọ pụta dịka ihengosi nke owuweiheubi ahụ nke gaesochi. Agwakwara anyi na mgbe Jisọs nwụrụ, "ílì meghe-kwa-ra; ewe me ka aru ọtutu ndi di nsọ ndi n'ọnwu-Ya gasiri, we ba obodo nsọ, were onwe-ha gosi ọtụtụ madụ" (Matiu 27:52, 53). Olileanya nke mbilite-n'ọnwụ anya abụghị ihe atọrọ ntọala ya náanị n'elu okwukwe, kama egosipụtara ya nkeọma nime eziokwu ahụ nke bụ na Jisọs siri n'ili bilie, ọ bụghị kwa náanị Ya kama ọtụtụ ndịnsọ sooro Ya. Ya mere, ebe achịbataworo mkpụrụ mbụ ahụ, anyi nwere owuweanya banyere owuweiheubu ahụ nke gaesonị.

N'ọbịbịa Ya, agwara anyi na ndị nwụrụ nime Kraist gaebu ụzọ bilie. "Agāfù opì, agēme kwa ka ndi nwụrụ anwụ si n'ọnwụ bilie nāpugh ire uré, agēnwo kwa ayi onwe-ayi" (I Ndi Kọrint 15:52). Ewerewo opiike kpọtee ndịagha n'ụra siteri n'oge gboo, ma lee otú ubọchị ahụ gaadị, mgbe opi nke Chineke gaakpọlite arụ́ nke ndi niile naararụụra ọnwụ nime ala bụ́ ndị nwụrụ nime Kraist. Mkpụrụobi nke NdiKraist naeje Eluigwe ngwangwa ha nwụsịrị. Mgbe Kraist gaalọghachi ná Nwelikọ nke ndịnsọ, agaeyikwasị mkpụrụobi ndịa anwụghịanwụ, n'arụ ndi ahụ nke emeworo ka ha si n'ọnwụ bilie, nke ọ bụla ga naewere kwa site n'ala, otù ụdị arụ ahụ nke atọgbọworo n'ọnwụ. Arụ a nke siworo n'ọnwụ bilie ga – "enwe oyiyi ọhụ, ka ya na aru nke ebube-Ya we nwekọ otù udị" (Ndi Filipai 3:21).

Ndịnsọ ahụ dịndụ, ndị naemeriemeri ka "agenwo, n'oge dikarisiri ntà, n'otù ntabi-anya" "ayi na ha ka agēwelikọ n'igwe-oji, izute Onye-nwe-ayi nime mbara-elu-igwe" N'ụzọ dị otù a, Nwelikọ nke Nzukọ ahụ, nke bụ oké owuweiheubi nke Mbilite-n'ọnwụ Mbụ ahụ. jikọtara ndịnsọ ahụ dịndụ, bụ́ ndị naemeriemeri na ndị nwụrụ nime Kraist.

**Ịdọakanántị**

"Ka ayi nēche nche nwe kwa anya-udo." Ndi naadịghị eleruanya na ndị naadịghị egosi mmetụta, ọ bụ ezie na ha nwere ike ịkpọ onweha NdịKraist, ha nọ n'ezi iheegwù nke ịbụ ndị agaarapụ mgbe Opi ahụ gaada. Jisọs tụụrụ anyi ilu banyere ụmụagbọghọ iri ahụ naamaghị nwoke dịka ihe ịdọakanántị nye ndị ahụ nke jụrụ ime ezigbo njikere maka ọbịbịa Ya. Lee ụdị ihenwuta dị ilu nka gaabụ nye ndị ahụ chọwororị isoro ịhụ onweha emechibidoro ha ụzọ! Ònye pụrụ ịhụta ya dịka n'onyinyo bụ́ ihemgbu nke obi nke ụmụagbọghọ nzuzu ahụ naamaghị nwoke nke ọnyụnyụ nke ọwa ha naagba àmà banyere adịghị ike ha inweta manụ nke Mmụọ n'ụbọchị ahụ mgbe Chineke naawụsa Mmụọ Ya n'arụ anụarụ niile bụ mmadụ? Emewo gị baptizim nke Mmụọ Nsọ?

Cheeechiche banyere ụdị egwu nke orù ahụ naabaghị n'ihe nwere mgbe ọ naeguzo n'iru Onye kere ya. Ihe ngọpụ ya mara ya ikpe, talent ya nke ọ naejighi lụa ọlụ nke tọgbọrọ n'elu okpokoro bụ kwa iheàmà zuruokè nke naegosi nlefuanya ya. Ì nwere ike ịtụgharịuche banyere enweghi olileanya ya mgbe anaatụba ya nime ọchịchịrị nke ezi ebe anaenwe ịkwaákwá na ịtaikekere eze n'ihi ohere niile o lefuwooro anya? Ànaeji talent gị lụara Eze ahụ ọlụ?

"Unu onwe-unu nile bu umu nke ìhè, na umu nke ehihie: ayi abugh ndi nke abali, ma-ọbu nke ọchichiri" (Ndi Tesalọnaika 5:5). Okwu nke Chineke naenye anyi ìhè, ma ọ dịrị anyi ịgaije nime ya. "Ọ buru na ayi ejeghari n'ìhè ahu, dika Ya onwe-ya nọ n'ìhè ahu, ayi nēnwekọrita ihe n'etiti onwe-ayi, ọbara Jisọs, bú Ọkapra-Ya, nāsachapu kwa ayi nmehie nile" (I Jọn 1:7). Ịdọakanántị dị icheiche nke dị nime Baibụl dị ọtụtụ, nkekanke ndị ahụ naakọwa mkpa ọ dị bụ́ ịdị naeche nche maka ọbịbịa

nke Onyenweanyi. Anyi naechenche site n'ịtụ̀ ndụ anyi n'ihe ọ̀tụ̀tụ̀ nke Okwu Chineke. Ì naeru ọ̀tụ̀tụ̀ achọrọ, ka ì naenye ihengọpụ?

**Iheagha ahụ**

"Ayi onwe-ayi, ebe ayi bu ndi nke ehihie, ka ayi nwe anya udo, yikwasisia ihe-agha igbochi obi, bù okwukwe na ihu-n'anya; ya na okpu-agha, bú ile-anya nzọputa." Ezi nwa Chineke abụghị, ọ gaghị abụkwanọ onye nwere afọojuju n'ịnata mgbaghara mmehie niile ya wee jee nọdụ ala naararụ ụra. Anyi aghaghị ịgbalịasiike itoeto n'amara na ịbamiabami nime Onyenweanyi site n'ikwesịntụkwasịobi n'ekpere na n'ịmụ̀ Okwu Chineke. Aghaghị ịtụkwasịihe ná nzọpụta site n'inwe odudonsọ, bụ́ nnwapụta nke abụa, nke dokwara anya nime Onyenweanyi. "Chineke nke udo, Ya Onwe-Ya dozu kwa unu nsọ n'uzọ dum; ka edebezu kwa mọ-unu na nkpuru-obi-unu na aru-unu dum, nādigh ita uta n'ọbibia nke Onye-nwe-ayi Jisọs Kraist" (I Ndi Tesalọnaika 5:23). Tụkwasị kwa n'odudonsọ, ọ ghaghị ịchọ rue mgbe ọ gaanata baptizim nke Mmụọ Nsọ dịka Jisọs kwere ná nkwa ndị naesoụzọ Ya wee mwapụta kwa ya dịka edoworo ya nime Ọlu Ndi-ozi 2, ịbụ onyeòtù Nwunye anaalụọhụ nke Kraist.

Anyi ga "ewere kwa ihu-n'anya sọpuru ha gabiga ókè nke-ukuri nne n'ihi ọlu-ha" ndị bụ kwa "ndi-isi-unu nime Onye-nwe-ayi." Adụrụ anyi ọdụ ịsọpụrụ ndịndú anyi nime-mmụọ: "Nēkweyenu ndi-isi-unu, nedo-kwa-nu onwe-unu n'okpuru ha: n'ihi na ndi ahu nāmu anya n'ihi nkpuru-obi-unu" (Ndi hibru 13:17). Obidịumeala na nrubeisi bụ ihe eji amara Nwunye anaalụ ọhụ nke Kraist. Mgbe anaakụziri anyi ihe site n'inye anyi ahụhụ, ka anyi cheta na akpọrọ anyi ka anyi "etinyela aka n'aha ajọ ije ọ bula" (I Ndi Tesalọnaika 5:22). Ka anyi guzopụ n'ebe dị anya otú anyi nwere ike pụa n'ebe dị nso iheegwu, bụrụ kwa ndị nọ nso Chineke otú anyi nwere ike, ka anyi wee nwee ike bụrụ ndị aga "edebezu kwa mọ-unu na nkpuru-obi-unu na aru-unu dum, nādigh itauta n'ọbibia nke Onye-nwe-ayi Jisọs Kraist" (I Ndi Tesalọnaika 5:23).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Òlee ihe ukwu abụa nke ewebatara nime ọbịbịa nke ugboabụa nke Kraist?
2. Kọwaa Nwelikọ ahụ?
3. Ònye gaenwe òkè ná Nwelikọ ahụ?
4. Kpọọ n'usoro otú mbilite-n'ọnwụ nke ndị nwụrụanwụ gaje ịdị.
5. Òlee ebe mkpụrụobi nke ndị nwụrụanwụ nọ ugbu a? Ha naamata ihe naeme?
6. Were mbilite-n'ọnwụ tụlee owuweiheubi ahụ.
7. Gịnị bụ njikere nke dị mkpa maka izute Oneynweanyi na mbaraigwe?
8. Kọwaa ọnọdụ nke Nzukọ ahụ nke Kraist nwụrụ n'ihi ya.
9. Kpọọ aha iheịrịbaàmà ụfọdụ nke naegosi ọbịbịa nke Onyenweanyi.
10. Gịnị ka eji tụnyere ọbịbịa nke Onyenweanyi?